# MWUGHARỊ NKE MGBIDI AHỤ

**Nehemaia 2:9-20; 4:1-23; 6:1-16.**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 446**

**Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ihe ọ bula aka gi nāhu ime, were ike-gi me ya; n'ihi na ọ digh ọlu, ma-ọbu ichè-échichè, ma-ọbu ihe-ọmụma, ma-ọbu amam-ihe, di n'ala mọ, ebe gi onwe-gi nāla" (Eklisiastis 9:10)**

## I Nehemaia Nime Jerusalem

1. Nehemaia na ndịnche Peasịa jeruru Jerusalem, Nehemaia 2:9, 10.
2. O ledoro ọnọdụ nke mgbidi ahụ na nzuzo, Nehemaia 2:11-16.
3. Agwara ndị Ju banyere nzube nke Nehemaia, ha jikwara obi ọñụ kwagide ya, Nehemaia 2:17, 18.
4. Ndịndú nke obodo niile ahụ bụ́ ndịagbataobi ha gbalịrị igbochi ọlụ ahụ ma Nehemaia guzogidere ha náesepụghị aka, Nehemaia 2:19, 20; 4:1-5.

## II Owuwu nke Mgbidi ahụ

1. "Ndi Ju nwere obi ilu ọlu," Nehemaia 4:6; 2 Ndị Eze 10:16.
2. Ndịiro ahụ niile gbaraizu nzuzo Ịlụ̀ọ̀gụ̀, Nehemaia 4:7, 8, 10-12; Zekaraia 3:1.
3. Ndị Ju kpereekpere ma rọpụta ndịagha náechenche, Nehemaia 4:9, 13, 14; 2 Ihe Emere 18:31; Abù Ọma 55:16-18; Luk 18:1; Ndi Efesọs 6:18.
4. Ọlụ ahụ naaga n'iru, ndịọlụ naejide kwa ngwaọlụ n'otù aka na ngwaagha n'aka nke ọzọ, Nehemaia 4:15-23.
5. Ndịiro ahụ niile nwara iji akụkọ na okwuụgha dị icheiche kwụsị ọlụ ahụ, Nehemaia 6:1, 2, 4-7, 10; Ezra 4:4, 5.
6. Nehemaia naeguzogidesi aghụghọ niile nke ndịiro ahụ ike náekpe kwa ekpere maka inyeaka nke Chineke, Nehemaia 6:3, 8, 9, 11-14; Jemes 4:7.
7. Ewuchara mgbidi ahụ nime ụbọchị iri ise na abụọ (52) enyekwara Chineke otuto, Nehemaia 6:15, 16; Abù Ọma 118:23; 126:3.

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Nehemaia**

Lee otú anyị kwesịrị inye Chineke ekele n'ihi ihe nlereanya anyị nwere nime Okwu Chineke nke ndịkom pụtara ìhè n'okwukwe na obiike, ndị dị ka Nehemaia onye anyị naamụ̀ ihe banyere ya. Eleghịanya Nehemaia n'onweya ebibeghị nime Jerusalem. Náagbaghị agụgọ ndị mụrụ Nehemaia maọbụ ndị mụrụ ndị mụrụ ya so ná ndị ahụ rọọrọ ịnọ n'alaeze Peasịa mgbe ndọtan'agha ahụ gasịrị. Ma Nehemaia amụ̀tawo ịhụ́ obodo ahụ n'anya bụ́ nke Chineke rọrọworo ịwụkwasị ngọzi Ya, ọ gaenweworị agụụ dị omimi n'obi ya ịhụ na ewugharịrị obodo ahụ.

Site n'ịgụ Nehemaia isi ise, amaokwu irinaanọ rue na nke iri na iteghete, anyị pụrụ ịghọta na Nehemaia gaabụworị nwoke nke bụ́ ọgaranya. Mgbe ọ nọ na Jerusalem ọ nataghị ụgwọọnwa ọ bụla dịka onyeọchịchị maọbụ ikwenye ka nri ọ naeri bụrụ ihe ndị Ju kwụrụ ụgwọ ya. Kama, ihe niile emefuru n'ihi ya onweya na narị ndị Ju na iriise bụ́ ndị naeri ihe na tebụl ya, tinyere ndị ọbịa niile ka eji ego sitere n'akpa ya kwụzue ụgwọ ha arọ iri na abụọ. Ụdị ụ̀mà niile a ahụrụ nime ndụ nke Nehemaia, n'ezie naeme ka anyị nwee mmasị n'ebe ọ nọ, ma o nwere ụ̀mà ọma ndịọzọ pụtara ìhè. Dịka anyị hụrụ site n'iheọ̀mụ̀mụ̀ anyị, mgbe óké nsogbu pụtara igbochi ọlụ ahụ, o nwere okwukwe nke anaapụghị ịkwatùakwatù na Chineke gaedubiga ya, o nwekwara obiike nime onweya ịnọgide rue mgbe ewusịrị mgbidi ahụ.

**Àtụ̀mààtụ̀ Ọlụ nke Nehemaia mere**

Eze ahụ n'amara ya, nyere Nehemaia akwụkwọozi inye ndịọchịchị ndị ọ gaesi n'ala ha gafee na njèm ya ka o wee nweeike gafee n'udo, o nyekwara ya ndịagha gaeché ya nche site n'etiti ndịagha ya. Ma ndịiro ndị Nehemaia gaezute jupụtara n'aghụghọ karịrị nke ndịagha Peasịa ahụ pụrụ iguzogide.

Mgbe Nehemaia ruru na Jerusalem, o gosịrị amamihe na nghọta nke Chineke nyere ya n'ụzọ dị icheiche nke o jiri ledoo ọlụ ahụ na ime ka nsogbu ahụ nke chere ya n'iru doo ya anya. Ya na ndịkom olenaole ọ rọpụtara pụrụ n'abalị ijé hụ ọnọdụ nke mgbidi ahụ. Cheta kwa, na Nehemaia ahụbeghị mgbidi ahụ ma mata kwa otú ọnọdụ ya si dị na mbụ, na ọ bụ kwa náánị nkọwa nke ndị lọghachiri na Peasịa nyere ya ka o ji mara ọnọdụ mgbidi ahụ.

Were anya imemmụọ lee, ma ọ bụrụ na ị nwere ike, mkpọmkpọ iheure niile na nkume akụwasịrịakwụwasị nke náegosi ebe mgbidi ahụ nọrị na mbụ nke akwatuworo ihe ra ka otù narị arọ na iri isii garaaga. Ile ihe ahụ niile anya gaeme ka obi lọọ onye ọ bụla mmiri ma ọ bụghị onye dị ka Nehemaia.

Ọ dị otù ebe nke ịnyịnya ahụ ọ naanọkwasị n'elu ya náapụghị ịgafe, ma mgbe o jesiri ijè nchọpụta abalị atọ, obiike nke Nehemaia ka naeguzosi kwa ike. O nwere amamihe nke idebe ihe niile nke o chepụtara nime obi ya tupu rue mgbe o wepụtara àtụ̀mààtụ̀ nke agaeji alụọlụ ahụ. Mgbe nke a gasịrị ọ kpọkọtara ndị Ju, ndị nchụàjà, ndịisi na ndị ọchịchị wee gwa ha àtụ̀mààtụ̀ ahụ nke ọ tụpụtaworo. O lezirianya nkeọma ịkọwara ha niile na "aka Chineke di mma" n'arụ ya na eze kwagidekwara ọlụ ahụ. Lee otú obi ya gaesiworị ñụrịaọnụ mgbe ọ nụrụ nzaghachi nke ndị ahụ. "Ka anyị bilie lua mgbidi." Otú a ka ha si mee ka aka ha dị ike ịlụ ezi ọlụ ahụ.

**Àtụ̀mààtụ̀ nke Iwu Mgbidi ahụ**

Iwú mgbidi nke gaagba Obodo Jerusalem gburugburu, ịwa osisi na ịlụ ọnụụzọama ya niile abụghị ọlụ dị ntà nye onye ahụ nke ọlụ ọ na alụ na mbụ bụ ịnọ n'obíeze. Ọ dịghị ebe ọ bụla agwara anyị na Nehemaia maara ihe banyere ọlụ nkà nke ịlụ okporoụzọ na àkwà maọbụ ịbụ onye ọlụ ya bụ iwu ihe ukwu dị icheiche, maọbụ ọlụ nke ịduzi ndịọzọ dịka onyeisi nke ọlụ, ma agwara anyị na ọ bụ onye naekpesi ekpere ike nke nwekwara okwukwe. N'akwụkwọ Nehemaia isi nke atọ, anyị hụrụ na Nehemaia kewasịrị mgbidi ahụ n'akụkụ dị icheiche wee nye ézínaụlọ ọ bụla nke ha ka ọlụ ahụ wee nwee ọgan'iru dị ngwangwa. Mmadụ niile ka elereanya ịlụọlụ ahụ, n'ihi na ọlụ ahụ bụ nke Onyenweanyị. Ọbụná onyeisi nchụàjà na ndị nchụàjà ndịọzọ ka enyekwara otù akụ̀kụ̀ ịlụọlụ. Ha pụrụ ịmalite ịchịkọta nkume maka mgbidi ahụ ebe ntọala ka dị, ma ebe ebibiworo ntọala ahụ ha aghaghị ibu ụzọ wugharịa ya; ma, ekele dịrị Chineke, ndị ahụ nwere obi ịlụọlụ.

**Ihemgbochi dị icheiche**

Náagbanyeghị na ọlụ ahụ akpọrọ Nehemaia ịlụ bụ ọlụ dị óké elu, otú ọ dị o nwekwara ihe mgbochi dị icheiche nke o zutere mgbe anaalụ ya. N'ezie n'ihe ọ bụla nke anaakwadobe ime nye Onyenweanyị n'ijéozi Ya, anyị na ahụ́ na ekwensu naabịa kwa n'otù aka ahụ. Ekwensu bụ onyeiro jọgburu onweya nye ezi ihe niile, o nwekwara ọtụtụ ndị naejere ya ozi na nzuzo nime ụwa a, ọtụtụ mgbe ha naanọ n'ọkwa dị elu, ime ihe niile ha nwere ike ime iji bibie ọlụ nke Chineke.

Ihe mgbochi niile nke Nehemaia nwere bịara site n'aka ndị ndú, eleghịanya ndị ọchịchị nke obodo ndị ahụ gbara Jerusalem gburugburu. Mba ndị ahụ abụrụworị ndịiro nke ndị Israel site na mgbe ochie, náagbaghị agụgọ n'oge nke ndọtan'agha na n'oge nke ịtọgbọrọ n'efù nke obodo ahụ ha ebichiworị ọtụtụ ebe n'ala a iji ya mee ebe ọzụzụ anụụlọ ha. Ịhụ nchebe nke Jerusalem na mwugharị nke obodo ahụ n'onweya bụ ihe ndị ahụ náachọghị ịhụ́ maọlị. Ihe dị ha mkpà bụ ọdịmma nke onweha. Ihe mbụ ha mere bụ ileda ọlụ ahụ anya na ịchị ya ọchị na ịkwa mgbalị ha emo, ma mgbe ha hụrụ na ọlụ ahụ naaga n'iru náagbanyeghị na ha adịghị enye aka n'ọlụ ahụ, iwe were ha nke ukwu ha wee tụọ àtụ̀mààtụ̀ nzuzo ịlụso ndị Ju ọ̀gụ̀. Ọtụtụ ndị Ju bi gburugburu Jerusalem ha matakwara àtụ̀mààtụ̀ ndị ahụ wee gwa ya Nehemaia.

Nehemaia atụgharịghị uche banyere ụzọ agaesi mee mkpezi ọ bụla, maọbụ ụzọ ọzọ nke ịkwụsị ọ̀gụ̀ ahụ, maọbụ kwenyere ndị ahụ, ma ihe mbụ o mere bụ iwegara Chineke okwu ahụ n'ekpere. Náagbaghị agụgọ mgbe o malitere ime ihe ahụ nke o nwere mmetụta na Chineke duziri ya ime, o guzobere ndị naeche ọlụ ahụ nche n'ehihie na n'abalị. Onye ọ bụla nime ndị naalụọlụ ahụ gaebi nime Jerusalem maka inwe nchebe dị mma, mgbe ahụ ọ̀kàrà nime ha ga eguzo na nche mgbe ọ̀kàrà nke ọzọ nime ha na alụọlụ. Ọbụná ndị ahụ nșsalụọlụ gaejide ngwaagha ka ọ gaabụ ha were otù aka náalụọlụ, ha ewere aka nke ọzọ jide ngwaagha. N'ezie ndịiro ahụ pụrụ igbakọta n'igwe buso ha agha nke gaeme ka ndị nọ na nche dị ntakịrị ibuso ndịiro ahụ agha. Atụ̀rụ̀ àtụ̀mààtụ̀ na ọ bụrụ na ọ̀gụ̀ adapụta, ha gaafụ opi ime ka ndị niile nọ n'akụ̀kụ̀ ọzọ dị icheiche nke mgbidi ahụ wee gbakọta n'ebe ahụ nke ọ̀gụ̀ siri ike.

**Agbamume**

Nehemaia zipụrụ okwu dị icheiche nke agbamume. “Unu atula egwu ha: Chetanu Onye-nwe-ayi, nke di uku di kwa egwù, bu-kwa-ranu umu-nne-unu, na umu-unu ndikom, na umu-unu ndinyom, na ndinyom-unu, na ulo-unu, agha.” Ma Nehemaia, n’ikwesị ntụkwasịobi n’akụkụ nke ya, sịrị na ya onweya maọbụ ụmụnna ya, maọbụ ndịorù ya, maọbụ ndịkom náechenche ndị náeso ya agaghị eyipụ uwe ha ma ọ bụghị ma ha achọrọ isa mmiri. N’ụzọ ọzọ, ọbụná mgbe ha gaachọ ịrarụụra nwa mgbe ntà, ha agaghị ejeru n’ụlọ nke aka ha dị iccheiche, maọbụ yipụ uwe ha, kama ha gaedina n’ebe dị ọlụ ahụ nke anaalụ na iheegwù ahụ nso, ka ọlụ nke Chineke nwee ike naaga n’iru.

Ọ dịghị ebe edere n’akwụkwọ na alụsoro ndị nke Chineke ọ̀gụ̀ n’oge a. Náagbaghị agụgọ ndịiro ahụ nụrụ ihe banyere njikere ahụ niile wee rapụ nzube a. Ma àtụ̀mààtụ̀ ọzọ ha tụrụ bụ ịgbalị ịrà Nehemaia ụra ka ya na ha nwee nkwekọrịta n’ihi na ha malitere ịkọ akụkọ ụgha dị icheiche na Nehemaia naazụ̀ ndịagha na Jerusalem ka o nwee ike iguzo onweya dịka eze wee si otú ahụ nupuisi megide ndị Peasịa. Ha egoworị otù nwoke nime Jerusalem ịgbalị itinye egwù nime obi Nehemaia ime ka ọ gbaba nime Ụlọukwu Chineke ahụ mechibido onweya n’ebe ahụ. Ma ebe Neheamia kwesịrị ntụkwasịobi nye Chineke ya, o bugaara Onyenweanyị ihe ndịa niile n’ekpere sị, “Ma ugbu a Gi me ka akam abụọ dị ike.” Ọ ghọtara na ọ bụghị Chineke zitere onyeamụma ụgha ahụ, o wee sị, “Nwoke dịka mu onwem ọ̀ gagbalaga? Ònye di kwa, nke di ka mu onwem, nke gāba n’ulo-uku Chineke, we chebe ndu ya? M’gagh-aba nime.” Ọ bụghị na Ụlọukwu ahụ abụghị ebe nsọ nye Nehemaia, kama ọ hụrụ na àtụ̀mààtụ̀ ahụ bụ aghụghọ iji nweta ya ịkwụsị ilekọta ọlụ ahụ, nke gaeme ka obi ndị ahụ niile daa mba ma ọ bụrụ na o mechibido onweya n’Ụlọukwu ahụ maka nchebe nke onweya.

**Alụsịrị Mgbidi**

Aghụghọ niile ndịiro ahụ bụ ihe lara n’iyi, n’ihi na Chineke nke Eluigwe kwagidere ọlụ ahụ ma kwagide kwa orù ya bú Nehemaia. Ndị ahụ ji ike ha niile lụọọlụ ná adaghị mba, ahazikwara ọlụ ahụ nkeọma, nke mere na ọlụ a nke siri ike ma dị kwa ukwu bụ ihe alụsịrị n’iri ụbọchị ise na abụọ (52 days). Nke a bụ nnọọ ihe pụrụ iche nke mere na ndịiro ghọtara na ọ bụ ihe Chineke lụrụ.

**Iji Ya Tụnyere Ihe nke Oge a**

Ọ dị ọtụtụ iheọ̀mụ̀mụ̀ nke anyị nwere ike ịmụta site n’ihe nke mere n’akụkọ a iji ha mee ihe ná ndụ anyị n’ụbọchị taa. Nke mbụ, ọlụ ọ bụla nke agaalụ gaabụ ihe doroanya na o sitere na ntụpụta nke Chineke na ngọzi Ya dị kwa n’elu ya. Dịka ọlụ ahụ maọbụ ọkpụkpọ òkù nke Chineke banyere ọlụ ahụ, naaga n’iru, anyị aghaghị ịchọ Chineke mgbe niile maka ngọzi Ya, odudú Ya, na inye aka Ya. Moses n’ọtụtụ arọ garaaga, ọ bụ ezie na o nwere ọkpụkpọòkụ pụrụ iche n’óké ọlụ ahụ nke idupụta ụmụ Israel site Ijipt, chọpụtara ọtụtụ ugbò na ya gaejekwuru Onywnweanyị n’ekpere inweta inye aka gaan’iru, ndụmọdụ na agbamume.

Ọtụtụ ihe mgbochi aghaghị ịbịa ná mgbalị ọ bụla. Ọ bụrụ na mgbalị anyị ahụ bụ nááń́ maka ọchịchọ nke onweonye, náagbaghị agụgọ, Onyenweanyị onweYa gaegbochi àtụ̀mààtụ̀ ahụ nke anyị tụrụ. Ọ dị mkpà ka anyị mara na anyị naeme ihe Onyenweanyị chọrọ ka anyị mee ka ọ gaabụ na mgbe ihe mgbochi ahụ dị icheiche bịara anyị agaghị ama onweanyị ikpé, maọbụ naechè na anyị apụwo n’uche nke Chineke. Kama anyị pụrụ ịmata na onyeiro naagbalị igbochi ihe ahụ nke anyị naalụ n’ọlụ Onyenweanyị. Otú ọ dị, náagbanyeghị ịdịelu nke ijéozi anyị ekwensu nọ ebe ahụ ịgbalị ịkwụsị ya. Ekwuwo ya nkeọma na “ọ bụrụ na ọlụ ị naalụrụ Onywenweanyị enweghị ihe mgbochi, ọ bụ ọlụ náadịghị mkpa”. Ma ekele dịrị Chineke, na anyị nwere ike, site n’nyeaka Ya na amara Ya dị ka Nehemaia wee guzosieike n’ihi ihe ahụ nke Chineke kpọworo anyị ịlụọlụ Onyenweanyị, náagbanyeghị ndị mmụọọjọọ niile nke dị n’ọkụalammụọ.

N’Àgba Ọhụụ, Pọl Onyeozi ji ndụ nke NdịKraist tụnyere ịnọ n’ọgbọagha ma nye anyị ndụmọdụ ka anyị soo ya hụjukọ anya (maọbụ náatachịobi n’ahụhụ) dịka ezi onyeagha nke Kraist Jisọs. Ka Chineke zụlitere onweYa ọtụtụ Nehemaia ọbụná n’ụbọchị anyị ndịa, ndị jikeere ịtọgbọ àkụ̀n’ụba ha, ọnọdụ ha dị elu, éziịnaụlọ ha niile, na ihe dum ha ji echebe onweha n’akụkụ, wee lụọọlụ n’ubi Onyenweanyị n’ebe iheegwù, iheisiike, na ijụ onweonye dị. O, lee óké ụgwọ ọlụ dị ebube nke náechere onye dị otú a n’ebighịebi!

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1 N’ụdị ọnọdụ dị aṅaa ka Nehemaia hụrụ mgbidi ahụ na ọnụụzọama ya niile?

2 Gịnị bụ omume nke ndịisi ndị Ju n’ebe àtụ̀mààtụ̀ nke Nehemaia dị?

3 Òlee otú esi kewasịara ndị Ju ọlụ ahụ niile?

4 N’ụzọ dị aṅaa ka esi gbalịa ime ka akwụsị owuwu nke mgbidi ahụ?

5 Gịnị ka Nehemaia mere banyere ihe mgbochi niile ndịa?

6 Oge ra aṅaa ka o were ịlụchasị óké ọlụ ahụ nke alụziri nkeọma?